# Mmụba Okwu n'Asụsụ Igbo

[1]*Egwuọnwụ-Chimezie, G. N.* & [2]*Owuamanam, R. G.*

[1]*Imo State University Owerri.*
[2]*Police Children School, Owerri.*

**Ụmị Edemede**
Asụsụ ọ bụla nwere ụzọ dị iche iche okwu ọhụrụ si abata n'ime ya. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụtagasị usoro dị iche iche e si amụba akpa okwu asụsụ Igbo ma tulee ma o nwere uru mmụba okwu baara asụsụ Igbo. Ọtụtụ mgbe ka ihe ọhụrụ dị iche iche na-abata n'ala Igbo nke e nweghi aha Igbo e jiri mara ha karịa aha asụsụ ha si na ya bịa nyere ya. Ọ dị mkpa inye ihe ndị a aha n'asụsụ Igbo. Okwu dị iche iche na-esikwa n'ọnụ ndị mmadụ apụta kwa mgbe. Ọ dịkwa mkpa ikpokọta okwu ndị ahụ ma detuo ha n'akwụkwọ dịka mkpụrụ okwu Igbo. E ji usoro nleru anya na ige ntị were nweta ngwa nchọcha site n'ọnụ ụmụ afọ Igbo bi n'ala Igbo. E ji usoro nkọwasị na ikikere ọchọcha nwere dịka onye Igbo na-asụ Igbo dịka asụsụ epum ya were tụchasịa ihe a chọpụtara. E tinyekwara atụtụ amụmamụ mmebe mkpụrụokwu na ntọsasị ọrụ a. A chọpụtara na e nwere ike imepụta okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo site na njakịrị, okwu apịrapị, okwu mbite, myinabọ, mbiọgwa na ijikọta mkpụrụokwu na mkpụrụokwu ọnụ nke bụ mgbakọokwu. A na-atụ aro ka ndị ọka asụsụ Igbo na-anọkọrịta mgbe ọ bụla iji tụlee ma wepụta mkpụrụokwu ọhụrụ iji nye echiche ọhụrụ aha.

## Mkpọlite

### Ntọ Nchọcha

Etu mmadụ si achọ ihe ọhụrụ, ka asụsụ ọbụla si achọ ma na-anabata mkpụrụokwu ọhụrụ iji too ma ọ bụ mụba a. Ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ kwekọrịtara na ha ga na-akpọ ihe ka ihe ahụ ga na-aza. O nweghi onye ga-agbagha ya. Asụsụ bụ usoro mkparịta ụka na ntụlekọrịta echiche n'etiti mmadụ na ibe ya. Nke a bụ eziokwu n'ihi na Crystal (1997) sịrị na o nweghi ihe ọbụla mmadụ na-eme n'ụwa nke na-achọghị enyemaka asụsụ. Mgbe e nwere obi ụtọ, iwe ma ọbụ iru uju. Ọ bụ site n'asụsụ ka e ji ezipụta ya n'ihi na asụsụ bụ obi mmadụ a hụrụ anya. Asụsụ dị ezigbo mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nke a mere o ji dị mkpa ịmụba akpaokwu asụsụ iji nwee ike nwee mkpụrụokwu dị iche iche e ji ezipụta echiche dị iche iche, ọ kachasị echiche ọgbara ọhụrụ.

Ude mmadụ, Egwuọnwụ-Chimezie na Ibeh kwuru na mmụba okwu bụ usoro asụsụ si abawanye okwu dị na ya. Okwu ọhụrụ ọbụla e mepụtara n'asụsụ Igbo ga-agbasorịrị usoro okwu Igbo sị aga. Mgbochiume anaghị ejedebe okwu Igbo tinyekwara na asụsụ Igbo anaghị enwe ọyọkọ mgbochiume. Ọ bụ na ngwaa ka e si enweta ọtụtụ okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. Nwachukwu (1983), Ụwalaka 1983) na Ndimele (2007) kwekọrịtara nke a. Ọ bụ ya ka e ji asị na asụsụ Igbo bụ asụsụ ngwaa.
Ọkaasụsụ (1985:5) kwadoro ịnabata okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo site n'ikwu,'ịnabata okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo iji mepụta ọchụchọụwa ugbu a, echiche na ihe ndị adịbughi n'omenala Igbo dị ezigbo mkpa'. Kwa mgbe ka ihe ọhụrụ na-abata n'ala Igbo site n'ọtụtụ mmepe nke sayensị na nkan'ụzụ dị ugbu a. Asụsụ Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. A na-emepụta okwu ọhụrụ site na mgbe ahụ ruo taa. Ọ bụghị mkpụrụokwu ole na ole dị mgbe gboo ka dị ruo taa. Mkpụrụokwu asụsụ Igbo na-amụbanye kwa ụbọchị. Mmadụ si agbụrụ dị iche iche na-abịakọta na-enwe mmekọrịta nke nwere ike ịbụ ịzụ ahịa, ịrụ ọrụ oyibo, igosi nka dị iche iche dịka ịgba

egwu, iti egwu, ịgụ egwu, ịrụ ụlọ w.d.g. Agbụrụ ọbụla nwere omenala na asụsụ ha. Sitezie na mmekọrịta na mbịakọta ọnụ ha, a ga-enwe ngwakọrịta asụsụ nke ga-eme ka asụsụ otu agbụrụ banye n’asụsụ agbụrụ nke ọzọ.

E ji usoro nleruanya na ige ntị were nwetachaa mkpụrụokwu ndị a chọrọ. Usoro e ji tụchasịa mkpụrụokwu ndị e nwetara bụ usoro nkọwasị. E jikwa ikikere ndị nchọcha nwere dịka nwa afọ Igbo na-asụ Igbo dịka asụsụ epum ya were tụchasịa ngwa nchọcha.

Ọtụtụ ihe ọhụrụ na-abata n’ala Igbo kwa ụbọchị site na mmepe na nkan’ụzụ. E nyeghị ihe ndị ahụ aha ha ga na-aza ga-ewechigha mmekọrịta mmadụ na ibe ya azụ n’ihi na ọ bụ asụsụ edere ede ma ọ bụ nke e kwuru ekwu ka mmadụ ji ezipụta ebum n’uche ya. Ọtụtụ ndị odee edeela maka mmụba mkpụrụokwu n’asụsụ Igbo mana ebe ha na-agbadokarị ụkwụ bụ isite na ngwaa mepụta okwu ọhụrụ. Mbunuche nchọcha a gbadoro ụkwụ n’ịchọpụta ụzọ dị iche iche e si amụba okwu na ụfọdụ mkpụrụokwu ndị e nweterela n’ụzọ ndị ahụ n’asụsụ Igbo.A ga-achọpụtakwa ọghọm na uru dị na mmụba okwu.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

Mọfọlọji bụ amụmamụ na-eleba anya n’ọnọdụ mkpụrụokwu na etu mkpụrụokwu si ejikọta onwe ha. Ọ bụ ọmụmụ iwu na-achị mmebe okwu n’asụsụ. Ume, Ugoji na Dike (2006) kọwara mọfọlọji dịka ihe ọmụmụ na-amụ maka mọfim na otu ha si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu. Udemmadụ, Egwuọnwụ-Chimezie na Ibeh (2022) kwuru na mọfọlọji bụ mkpụrụokwu sitere n’asụsụ Grik, ‘Morphe’ na ‘-logy’ bụ okwu abụọ mebere ya. ‘morphe’ pụtara ọdịdị mkpụrụokwu ebe ‘-logy’ pụtara ọmụmụ. E jikọzie ha ọnụ, e nweta mọfọlọji. Ha gara n’ihu kwuo naọ na-elebakwa anya n’ihe banyere usoro a na-agbaso were emebe mkpụrụokwu dị n’asụsụ. Ha chịkọtara nkọwa mọfọlọji dịka ngalaba lingwistiiks na-amụ maka usoro, mmebere na nghọta mkpụrụokwu.

Ọ bụ mọfim/mkpụrụ echiche bụ isi ihe ọmụmụ mọfọlọji. Mọfịm bụ irighiri nkega pere mpe nke e nweghiike ikeri karịa otu ọ dị ka o buru nghọta o bu na mbụ. Ikekonwu, Ezikeojiakụ, Ubani na Ugoji (1999) kọwara mọfọlọji dịka amụmamụ gbasara ndokọ mkpụrụokwu – ọmụmụ iwu na-achị mmebe mkpụrụokwu n’asụsụ. Ha gara n’ihu kwuo na tupu a ghọta mọfọlọji, a ga-ebu ụzọ mata ihe bụ mọfịm n’asụsụ. Ha akọwaghị ihe bụ mọfịm kpọmkwem mana ha kwuru na e nwere ụdị mọfịm abụọ ndị bụ mọfịm nnọrọ onwe na mọfịm ndabe. Ha kwuru na mọfịm nnọrọ onwe bụ ndị ahụ nwere ike ịkwụrụ onwe ha na-ebughị mgbakwunye ọ bụla. Ha zuru oke dịka mkpụrụokwu. Ikekọnwụ na ndị otu ya gara n’ihu kọwaa mọfịm ndabe dịka irighiri okwu ndị ahụ ana-agbakwụnye na mọfịm nnọrọ onwe, ogwengwaa maọbụ isingwaa mee ka mpụtara ha pụta ihe ma ọ bụkwanụ zuo oke. Egwuọnwụ-Chimezie (2023) n’aka nke ya kọwara mọfịm dịka irighiri okwu pere mpe nke ukwuu nwere nghọta nke na e kerikarịa ya ka ọ dị, ọ gaghị enwekwa nghọta ọbụla. Ọ bụ irighiri nkega na-adị n’okwu bụ ndị agaghị enwe ụzọ ọzọ a ga-esi kerie ha, ka ha buru nghọta nwere mmetụta ahụ na nghọta okwu ahụ na mbụ. Mọfịm ọbụla ga-enwerịrị nghọta doro anya n’ụtọ asụsụ a na-ele anya.

Ọ bụ site na mọfịm nnọrọ onwe ma ọ bụ njikọta mọfịm ndabe na isingwaa ka e si enweta mkpụrụokwu. Mkpụrụokwu bụ okwu ọbụla ga-abụọ kwụụrụ onwe ya, o nwee nkọwa ma nwekwaa nghọta zuru oke. Mkpụrụokwu Igbo hiwere isi n’ụda abịị chịị. Ikekọnwụ (1999) na ndị otu ya, kwuru na ịkọwa mkpụrụokwu adịchaghị mfe. Ha kọwara mkpụrụokwu dịka abịị chịị e dekọrọ ọnụ nke nwere oghere na mbido ma na ngwụcha ya. Ọ ga-enwerịrị nghọta nke ya ma nwekwuo oghere ya na mkpụrụokwu ọzọ bu ụzọ ma ọ bụ na-eso ya. Ụfọdụ mkpụrụokwu bụ

okwu ọkpụ ebe ndị ọzọ bụ ndịa rọrọ arọ ma ọ bụ ndị e bitere ebite. Ndị bụ okwu ọkpụ bụ mkpụrụokwu Igbo ndị anyị amataghị mgbe ha malitere bata n'asụsụ. Ha dị gboo karịa ndị nke a rọrọ arọ ma ọ bụ ndị e bitere ebite. Usoro e si amụba mkpụrụokwu ka a na-akpọ mmebe okwu.

Tomori (1977) kọwara mmebe okwu dịka amụmamụ na-eleba anya n'ọnọdụ mkpụrụokwu na etu mkpụrụokwu si ejikọta onwe ha. Ọ bụ ngalaba lingwistiki na-eleba anya n'irighiri okwu pekarịsịrị mpe n'ụtọ asụsụ a na-akpọ mkpụrụ echiche. Yule (1996) n'aka nke ya sịrị na mmebe okwu na-eleba anya n'ihe gbasara ọdịdị asụsụ. O kwuru naọ bụ n'ọmụmụ ihe sayensị bịọlọji ka e siri nweta ya. Okwu niile onye na-asụ asụsụ maara dị n'ụbụrụ ya ka a na-akpọ ọba okwu. Omachonu (2001) kọwara na ọba okwu abụghị ihe a ga-asị na o jula ma ọ bụ na ọ gaghị anabata okwu ọzọ maka n'ihi na o jula na ndị na ya. O nweghi asụsụ ọ bụla nwezuru ihe ọ chọrọ n'ọba okwu; nke a mere asụsụ jiri bụrụ ihe na-emepụta okwu ọhụrụkwa ụbọchị.

Babarinde (2009) kwuru na o nweghi asụsụ ọ bụla nwezuru ihe ga-enyere ya aka ime ka ndị nwe asụsụ ahụ nwee ike inwe mmekọrịta zuru oke n'ụwa ugbu a. N'ihi nke a, e nwere ụzọ dị iche iche ndị na-asụ asụsụ ga-esi nwee ike imepụta okwu ọhụrụ site n'ịgbaso usoro iwu na-achị asụsụ ahụ nke ga-eme ka akpa okwu asụsụ ahụ na-eto eto.

**Nchọcha ndị e Merela Metụtara Isiokwu**

Offiong (2011) lebara anya n'usoro mmebe okwu Asụsụ Efik. Ọ gbakwasara ụkwụ n'usoro mmebe okwu asụsụ Bekee wee lebaa anya na nke asụsụ Efik. Ọ chọpụtara na e nwere usoro imepụta okwu site na mgbakwụnye, mbite, njikọta mkpụrụokwu/mgbakọokwu, myinabọ (reduplication) na mgbatị echiche. Offiong chọpụtara na Efik nwere nnọnime nke ọtụtụ asụsụ enweghi.

Idika (2016) lebara anya na mmebe okwu asụsụ anọ asụsụ kemmebe iwu n'asụsụ Igbo. O ji usoro nhọpụta nke ihe e bu n'uche ime were họpụta mkpụrụokwu iri ise na ise e ji emebe iwu. Mkpụrụokwu ndị a bụ ndị dị n'asụsụ atọ, Awụsa, Igbo na Yoruba mana ebumn'uche nchọcha ya bụ ileba anya n'usoro mmebe okwu e ji mepụta okwu ndị ahụ n'asụsụ Igbo. A chọpụtara na e ji usoro ijikọta mkpụrụokwu na mkpụrụokwu ọnụ na mbite okwu. E nwere okwu ndị dịka: ego + mmawepụta, ọgụgụ + ke + atọ, ebe + ọchịchị. Na mbite, e nwere okwu ndị dịka: kọmiti, miniti, referendum, seneeti wdg. O mechiri site n'ikwu na Igbo bụ asụsụ ụda olu n'ihi ya na ụda olu dị ezigbo mkpa n'imepụta okwu ndị a.

Khan (2021) tụlekọrịtara mmebe okwu asụsụ Bekee na nke Urdu. Ebe ọ gbadoro ụkwụ bụ na mmebe okwu mọfọlọji mgbatị na mọfọlọji nnweta asụsụ abụọ a. Ebum n'uche ya bụ ịchọpụta etu mpụtara mkpụrụokwu si agbanwe mgbe ọ na-agabiga usoro mmebe okwu dị iche iche, ịchọpụta etu mkpụrụokwu dị iche iche si ejikọta iji mepụta okwu nwere mpụtara ọzọ. O lebakwara anya n'ọrụ usoro mmebe okwu dị iche iche na-arụ n'ịmụba ọba okwu asụsụ. Khan chọpụtara na e ji usoro mgbakọ okwu, mgbubi okwu, mbugharị nkejiasụsụ were ewulite asụsụ. N'usoro mọfọlọji mgbatị, ọ chọpụtara na e ji nsonazụ agbakwụnyere na ngwaa ezipụta ụbara n'asụsụ Bekee na nke Urdu.

Ndị nchọcha a mere nchọcha na mmebe okwu iji mụbaa asụsụ dị iche iche na abụghị asụsụ Igbo. NaanịIdika (2016) metụrụ asụsụ Igbo aka mana o jighi asụsụ Igbo dee edemede ya. O kwesiri inwe nchọcha e mere banyere mmụba okwu asụsụ Igbo nke e ji asụsụ Igbo dee kpọmkwem.

**Atụtụ Nchọch**

**Usoro Amụmamụ Mmebe Mkpụrụ Okwu**

Ọ bụ Pesetsky wepụtara atụtụ a n’afọ 1979. E mechaa Kiparsky mewakwuo ya n’afọ 1981. Ọ dị mkpa ikwu na e nweghi naanị otu atụtụ amụmamụ mmebe mkpụrụ okwu a na-ewebata n’ederede mana nke ọ bụla na-ekwu na iwu fọnọlọji na mọfọlọji na-arụkọọrụ mgbe a na-emepụta mkpụrụokwu asụsụ.

Fọnọlọji bụ otu ngalaba amụmamụ dị na sayensị asụsụ na-amụ maka mkpụrụ ụda na ka e si eji ha arụ ọrụ n’asụsụ mba ụwa dị iche iche. Isi sekpụ ntị n’ọmụmụ fọnọlọji bụ fonim/mkpụrụụda. Fọnọlọji na-amụ maka usoro nkejiokwu dị n’okwu, ndebeolu na ụdaolu.

Mọfọlọji bụ amụmamụ gbasara ndokọokwu. Ọ bụ ọmụmụ iwu na-achị mmebe okwu n’asụsụ. Isi sekpụ ntị n’ọmụmụ mọfọlọji bụ mọfịm. Ụzọ amụmamụ abụọ a ga-agakọrịrị ọnụ mgbe a na-akparịta ụka, ede ihe ma ọ bụ ekwu okwu. Ọ bụrụ na e nweghi iwu na-achị mmebe okwu, a gaghị enwe ike imepụta okwu ọhụrụ nwere mpụtara. Ọ bụrụkwa na e nweghị iwu na-achị mkpụrụ ụda, agaghị enwe ike ịghọta ụda mkpụrụ edemede, agaghị ama etu a ga-esi kpọpụta ederede ma ọ bụ sụpee ekwurekwu. E nwere ike ịghọtakwu mmekọrịta dị n’etiti fọnọlọji na mọfọlọji site n’ileba anya n’atụtụ ogo ndokọụma ndịnusoro ogo nke Siegel 1974 mepụtara. Atụtụ a na-egosi na mgbakwụnye na-adị ile n’ụdị abụọ. Mgbakwụnye nsirinweta asụsụ Bekee bụ nke e nwere ike ikewa n’ụdị abụọ: mgbakwụnye òtù nke mbụ na mgbakwụnye òtù nke abụọ-Ịgbakwụnye mgbakwụnye otu nke mbụ n’okwu na-eweta mgbanwe fọnọlọji okwu. Ịgbakwụnye otu nke abụọ n’okwu anaghị eweta mgbanwe na fọnọlọji okwu.

**Ụzọ dị iche iche Okwu Ọhụrụ si Amụba n’Asụsụ Igbo**
**Mgbakọ okwu**
Asụsụ Igbo na-esi na mgbakọ okwu emepụta okwu ọhụrụ dị iche iche.
Atụ 1

**i)** a + gba m + ọnya + ego == fund raising
nganihu + set nnọnetiti + trap(s)+ money

ii) e + zu + m + ike == holiday
nganihu + rest + nnọnetiti + strenght

iii) ụlọ + akwụkwọ == school
house + book

iv) anya + anwụ == sunlight
eye + sun

v) ụka + bụ + ilu == proverb
speech + is + bitter

N’ọmụmaatụ ndị a dị n’elu, e nwere njikọta mọfịm nnọrọ onwe dị iche ma mepụta otu mkpụrụ okwu. nghọta ụfọdụ okwu e mepụtara ha na mọfịm ndị e si na ha mepụta ha yitere ebe ụfọdụ eyiyeghi.

**Okwu Mbite**
Mbite okwu bụ usoro a na-esi ebite okwu n’asụsụ ọzọ tinye n’ọzọ iji mee ka mkpụrụokwu dị n’asụsụ ahụ mụbaa. Asụsụ Igbo esitela n’okwu mbibi nweta ọtụtụ okwu ọhụrụ iji mee ka mkpụrụokwu Igbo bawanye. Ụba-Mgbeme na (2006) kwuru na ihe kpatara e ji ebite okwu n’asụsụ ọzọ bụ na ọ dighị asụsụ ọ bụla nwezuru mkpụrụokwu niile e ji ezirịta ozi. E sitela n’asụsụ dị iche iche bite okwu ndị e ji ezirịta ozi n’asụsụ Igbo ugbu a. Mbite okwu na-adịkarị mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa nwere mmekọrịta. Ọtụtụ asụsụ dịka asụsụ Bekee, Awụsa, Yoruba na French abụrụla ndị asụsụ Igbo bitere mkpụrụokwu.

Atụ 2 :

| Mkpụrụokwu | Ebe e si nweta ha |
|---|---|
| Kpekele | Yoruba |
| Ashawo | Yoruba |
| Agbada | Yoruba |
| bọkwụ | French |
| ichafụ | French |
| Akawo | Yoruba |
| Wayo | Yoruba |
| Akamụ | Awụsa |
| Suya | Awụsa |
| Yabasị | Awụsa |
| Kanda | Awụsa |
| Akanwụ | Awụsa |
| Onuku | Ịgala |
| Alịbọ | Ịgala |
| Redio | Bekee |
| Vidio | Bekee |
| Tebụlụ | Bekee |

Ọtụtụ okwu mbite ndị a bụ ndị a na-akpọpụta ha site n'usoro mkpọpụta asụsụ Igbo n'ihi na ha bụ ihe ndị batara ọhụrụ n'ala Igbo site n'aka ndị nwe asụsụ ahụ. Ọtụtụ ihe ndị ahụ batara n'ala Igbo ọhụrụ, a na-akpọkwa ya aha ndị nwe ya na-akpọ ya mana nsupe ya na-adịzi iche n'ihi na ndị Igbo agaghị enwe ike ịkpọpụta ya kpọmkwem dịka ndị nwe ya si akpọpụta ya tụmadị ndị sitere n'asụsụ Bekee. Ọkaasụsụ (1985:8) rụtụrụ aka sị:

> Usoro mbụ na-achịkwa mbiteokwu ma ọ bụrụna e nwezighi mkpụrụokwu ọzọ n'olu mba nwere ike ịzụpụta echiche ahụ; na a ga-ebite mkpụrụokwu ahụ ebite. Ọ bụrụ okwu mbịambịa, naọ dị mkpa na a sụpere ya n'Igbo (Igbonized, that is spelt in Igbo).

**Njakịrị (Slangs)**

Asụsụ Igbo na-esi na njakịrị enweta okwu ọhụrụ ndị nwere ike ịbụ okwu mkparị, otito, mmebọ, ndụmọdụ, akọmọnụ na aha ndị ọzọ dị iche iche e ji akọwa ka ihe dị, ka ihe si eme, ọnọdụ ihe ma ọ bụ ọnọdụ mmadụ. Okwu njakịrị na-esitekarị n'aka ndị ntorobịa dịka ụmụakwụkwọ, ndị na-azụ ahịa, ndị ahịa ọgwụ, ndị na-eti egwu, ndị nta akụkọ were amalite sitezie otu ahụ gbasaa ka ụkpaka zuo ọhanaeze ọnụ. Na mbụọ na-abụ sọ ndị wepụtara okwu ọhụrụ ndị ahụ na-amata mpụtara ya mana mgbe ọ nọtere aka, okwu ndị ahụ abanye n'ọba okwu asụsụ Igbo bụrụ nke onye ọbụla na-asụ.

**Okwu njakịrị ndị e ji emebọ mmadụ**

Nke a bụ njakịrị ndị ahụ na-ewetu ugwu mmadụ.

Atụ 3:

| | |
|---|---|
| Ịwụ n'ala | to disgrace somebody |
| Ịgba buutu | to ignore somebody |
| Ịkụpụ ntị | to ignore somebody |

Okwu njakịrị ndị e ji akọwa ka ihe dị, ka ihe sị eme, aha ihe, ọnọdụ ihe, na akparamagwa mmadụ. Atụ 4:

| | |
|---|---|
| Steeze | To have composure |
| Mugu | A person that does not understand happening things. |
| Awara awara | Fast running vehicle |
| Waa waa waa | Wreckless driving |
| Ọnyụpaa | Sluggish movement |
| Taịwanụ | Fake something |
| Adigboroja | Fake something |
| Anikịrịja | Worn out bicycle |
| Ndị eke | Police men |
| Abanaanya | Inferior clothes |
| Nzama | Cheating with profit |
| Enweghị polo | You do not have problem |
| Ịgba tọọchị | To give bribe |
| Ajịbọ | Sophisticated lady |

Okwu njakịrị ndị e ji egosi ihe dị mma, ọnọdụ dị mma ma ọ bụ onye ihe dịịrị mma.Atụ 5:

| | |
|---|---|
| Yoriyori | Something beautiful |
| Akwa nwa | Pretty woman |
| Tamtam | Perfect |
| Ịnọ na saịtị | Being in better condition |
| Ịnọ n'ofe | Being in better condition |
| Ebe anọ | Current trend |
| Sherikoko | Beautiful lady |
| Dachịị | Fine something |
| Akanchawa | Goodluck |
| Bebi ị dị okee | A pretty lady lwho dresses very beautiful |
| Ị towara ntị | Looking very beautiful / dressing very beautiful |
| Pọpọ nwa | Pretty girl or lady with nice and smooth skin |
| Sarị sarị | Good heart |

Njakịrị ndị na-egosi inwe ego ma ọ bụ ụkọ ego.Atụ 6:

| | |
|---|---|
| Igbu ozu | Richness |
| Iji nkụ | Richness |
| Owu ite | Serious lack of money |
| Owu ịsa mmadụ | Serious lack of money |
| {kpa kudi | Inwe ezigbo ego |

**Okwu Apịrapị**

Okwu apịrapị bụkwa ụzọọzọ okwu ọhụrụ si abata n'asụsụ Igbo. Otu onye nwere ike nyekanye ihe otu aha, ndị mmadụ esonyere ya kpọwa ihe ahụ aha ahụ. Ngoesi (1989) kọwara okwu apịrapị dịka okwu e mepụtara ọhụrụ site n'ijikọta mkpụrụokwu dị ochie iji nye ihe pụtara ọhụrụ aha. A na-esi ka ihe ahụ dị ma ọ bụ ka ihe ahụ si eme enye ya aha ahụ nke ọ ga-abụ a kpọọ ya ọtụtụ ugboro, ọ bụrụzịa aha ya.

Atụ 7 :

| | |
|---|---|
| Awarawa | Spoilt tomatoes |
| Ọkada | Motocycle |
| Igwe okwuokwu | Microphone |
| Ụzọ awaraawara | Eụpress road |
| Ntorobịa | Youths |
| Nzu ode | Chalk |
| Mgbo ojii/mgbo ode | Black board |
| Okooko | Flower |
| Onyoonyo | Television |
| Ntuli aka | Vote |
| Ụgbọ okporoigwe | Train |
| Ọchịchị onye kwuo uche ya | Democracy |
| Ọgbọ nta vootu | Constituency |
| Nnweghari̩ enwemenwe | Stock exchange |
| Ogbunigwe | Bomb |
| Okooko | Flower |
| Onyoonyo | Television |
| Uko akwụkwọ | Book shelf |

Okwu Njakịrị ndị na-egosi ịgwọọgwụ.

Atụ 8:

| | |
|---|---|
| Onye e riri eri | A used person /charmed person |
| Ọtụmọkpọ | Charm |
| Ikechi mmadụ | To hinder someone from progressing, to charm someone |
| Odeeshi | Charm |
| Ife ajụ | To charm someone |

Anyị lee anya, anyị ga-ahụ na okwu apịrapị ndị a niile bụ aha emepụtara ọhụrụ ndị Igbo ji ezipụta echiche ha.

**Mbi ọgwa**

Mbi ọgwa bụ okwu a na-emepụta site n'ijikọta mkpụrụokwu si n'asụsụ abụọ dị iche iche ọnụ. Ya bụ e nwere ike ijikọta mkpụrụokwu asụsụ Igbo na nke Bekee ọnụ ka ha bụrụ otu.

Atụ 9:

| | |
|---|---|
| Ite pọọtụ | Metal pot |
| Ọkụ latrik | Electric light |
| Ụzọ moto | Tarred road |
| Ite aluminọm | Aluminum pot |
| Ụlọsimenti | Cement house |
| Oche pụlasitik | Plastic chair |
| Efere pụlasitik | Plastic plates |
| Ngazi/ngaji pụlasitik | Plastic spoon |

Nghọta okwu ndị a dị n'elu zuru oke n'agbanyeghịna a gwakọtara asụsụ Igbo na nke Bekee ọnụ.

**Mbejiriokwu**

Nke a bụkwa otu ụzọ e si amụba okwu. A na-esite na mmalite okwu ahụ wepụtachaa mkpụrụechiche mbụ malitere okwu ndị mejupụtara okwu ahụ (kachasị ndị dị oke mkpa). Atụ 10:

| | |
|---|---|
| Ogbu oge | O.O |
| Otu Ịkwalite Asụsụna Omenala Igbo | O.Ị.A.O.I |
| Were dịrị gawa | W.D.G |
| Ịma mmadụ | I.M |
| Dịrị gawa | D.G |

**Myinabọ (Reduplication)**

Nke a bụ usoro e si amụba okwu site n'idekọ otu okwu nnọrọonwe ọnụ ma ọ bụ dekọọ akụkụ otu okwu ọnụ iji nweta okwu ọhụrụ nke mpụtara dị iche n'okwu nke e si nweta ya

Atụ 11 :

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Ọsọ | run | ọsọ | ọsọ | fast |
| Nnwa | child | Nnwa | nwa | childish |

A na-ejikwa ụdị mmụba okwu a egosi na ihe dị ụbara.

Atụ 12:

Oke oke juru n'ụlọ a
Ụlọ a juru n'akwụkwọ akwụkwọ.
Ofe a bụ nnu nnu.
Ime ọhịa a bụ nnọọ agwọ agwọ.
Anụ anụ jupụtara n'ofe m.

**Uru Imepụta Okwu Ọhụrụ Bara**

Imepụta okwu ọhụrụ na-enye aka inye ihe ọhụrụ batara n'ala Igbo aha ma mekwaa ka ọba okwu asụsụ Igbo na-abawanye. Ka ụwa na-asa anya, mmepe a na-abata, n'otu aka ahụ kwa ka ọtụtụ ihe e ji enyere ndụ aka si abata nke e nwebughi n'ala Igbo. Ọ bụ site na mmụba okwu ka e si enye ihe ndị ahụ aha. O nweghi asụsụ a ga-asị na e nwere ihe niile ga-enye aka inwe ezi mkparịtaụka n'etiti agbụrụ dị iche iche. Ọ bụ site n'ịmụba okwu ka ezi mkparịta ụka ji adị n'etiti agbụrụ na ibe ya.

Mmepụta okwu ọhụrụ na-emekwa ka nghọta ọtụtụ ihe si mba ofesi bata ala Igbo dị mfe n'ihi na mgbe ụfọdụ, a na-enye ihe ndị ahụ aha site n'ọdịdị ha na ihe e ji ha eme. Atụ bụ njụ oyi, ntụ oyi , ekwentị wdg.

**Ọghọm Imepụta Mkpụrụokwu Ọhụrụ**

Ihe ọ bụla nwere uru nwere ike inwe ọghọm ma agaghị eji mgbagbu ghara ọhụ. Ụfọdụ usoro e si amụba okwu na-eme ka a na-enwe ngwakọta asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ ọnụ nke nwere ike ime ka mkpụrụokwu ọkpụ Igbo bụrụ ihe lara ala. Ọtụtụ ndị ọgbọa amaghị ọtụtụ okwu ọkpụ Igbo n'ihi iji mbite okwu enye ọtụtụ ihe aha. Aha Igbo "pawpaw, pineapple, plantain, wdg bụ nke ọtụtụ ndị Igbo chefurula. Ụfọdụ amaghị ya ma ncha n'ihi mbite okwu. *Pawpaw* bụ mgbimgbi, *pineapple* bụ akwuoro ebe *plantain* bụ ogede ma ọ bụ ụkam. Ọ dị mma ka e belata okwu mbite n'inye ihe ọhụrụ aha. Ọ ga-akacha mma ileru anya ala n'olu ndị dị iche iche dị n'ala Igbo ma site na ha na-enye ihe ọhụrụ aha.

**Nchịkọta na Mmechi**

Ọ bụ site n'imepụta okwu ọhụrụ ka asụsụ si eto eto ma na-amụbakwa ọbaokwu ya. Ọtụtụ ụzọ e si emepụta okwu ọhụrụ dị ka mgbakọokwu, okwu mbite, njakịrị, okwu apịrapị, nchepụta, mbi

ọgwa, mbejiri okwu na myinaabọ ka elebara anya na nchọcha a wee hụ n'ezie na n'agbanyeghi na ọ bụ isite na ngwaa mepụta okwu ọhụrụ kachara dị ire n'asụsụ Igbo, na ọtụtụ usoro mmepụta okwu ndị a dịkwa ire n'ụzọ nke ha. Mmepụta okwu ọhụrụ dị mkpa n'ihi na kwa mgbe ka akụrụngwa na echieh ọhụrụ na-abata n'ala Igbo. E kwesiri inye ihe ndị a aha. Ụfọdụ ihe ndị si agbụrụ ọzọ bata n'ala Igbo nwere aha a na-akpọ ha n'asụsụ Igbo, mana mgbe ụfọdụ aha ndị nwe ihe ahụ nyere ya na-aga agar andị mmadụ ọnụ nke na-eme ka e chefuo aha Igbo ya kpọmkwem. Anyị ga-amụanya iji hụ na asụsụ na-eto site n'ịmụba okwu ma ya abụla nke ga-eme ka okwu ọkpụ fuo kpam kpam.

**Nrụmaka**


Babarinde, S. (2009).*Morphology: Its basics and Application.* Nsukka: Pascal Communication.

Crystal, D. (1997). A *Dictionary of Linguistics and Phonetics (4th ed.).* Oxford: Blackwell.

Egwuonwu-Chimezie, G.N. (2023). Igodo *Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Owerri: Favoured House Concept.

Idika, K. M. (2016). Morphological processes used to create Igbo in theQuadrilingualGlossary of legislative Terms. *Interdisciplinary Journal of African & Asian Studies.* Vol. 1 No. 2 Pp 1-8.

Ikegwuonu, C. N. (2013). Mmụba Okwu Ọhụrụ: Ụzọ Mwulite Mkpụrụokwu na Nkwalite Otutu Asụsụ Igbo. *ANSU Journal of Arts and Social Sciences, 2 (1):51-62.*

Ikekọnwụ, S., Ezikeojiakụ, P.A, Ubani, A. & Ugoji, (1999).*Fọnọlọji na Grama Igbo*. Ibadan: University Press.

Khan, H. N. (2021). A study of word Building and Morphological processes (Derivation and Inflectional) in English and Urdu in *Indiana Journal of Arts & Literature*. Vol. 2. Issue 5. Pp 17-23.

Ndimele, O. (2007). *Morphology and Syntax.*Port Harcourt; Emhai Press.

Offiong, O. A. (2011). Efik Morphological Processes.*A Journal of Contemporary Research*, 8(4) Pp 86-98.

Omachọnụ, G.S.S. (2001). Igala Morphological Processes in Nsukka. *Journal of African Languages and Linguistics* (NJall). 2(1), Pp 55-65.

SPILC, (1985). *Ọkaasụsụ Igbo.*Nigeria: The Society for Promoting Igbo Language and Culture.

Tomari, S. H. (1977). *The Morphology and Syntax of Project –Day English: An Introduction*. London: Heinemann.

Udemmadu, T.N., Egwuonwu-Chimezie, G.N. & Ibeh, F.U. (2022).*Mọfọlọji Igbo (Ọdịdị Mkpụrụasụsụ Igbo).* Onitsha: Durability Prints.

Yule, G. (1996). *The study of Language.* Cambridge: Cambridge University Press.